Uru Asụsụ Bara Na Nchekwa Na Ọgwụgwọ Nrianria Dika O Si Metụta Nje Na Ọria Obirinaajaọcha

By

Comfort Nwuka Ezebuilo (Ph.D)
Department of linguistics, Igbo and Other Nigerian Languages,
University of Nigeria, Nsukka
Gsm: 08062710168
Email: comfort.ezebuilo@unn.edu.ng
&
Eze Eucharia Anenechukwu (Ph.D)
Department of Linguistics and Communication Studies,
University of Port-Harcourt
Gsm: 08066611695
Email: eucharaia.eze@uniport.edu

Ụmi

N'agbanyeghi ọrụ niile asụsụ na-arụ na ndụ mmadụ, mgbe ndị ụlọ ọrụ gọọmenti dị iche iche na-ahụ maka ahụike na-atụle ihe gbasara ahụike na ihe ndị na-ama ya aka n'ihu, ha anaghị akpọta asụsụ aha dị ka otu n'ime ihe ndị ga-enye aka na nnweta ezi nchekwa, nlekọta na ọgwụgwọ nrịanrịa n'ụzọ doro anya ma dị mfe. N'ebe a kpọtara asụsụ aha, a chọpụtara na egwuzobeghi iwu a ga-eji na-echekwa ya ka ọ gbaa mgbọrọgwụ ma mịta mkpụrụ ọma. Ọ bụ nke a kpatara nchọcha a ji lebaa anya n'uru asụsụ bara n'inweta ezi nechekwa na ọgwụgwọ nrịanrịa, ọkachasị n'ebe nje na ọrịaobirinajaọcha nọ. Ya mere, otu n'ime nsogbu nchọcha a na-achọ ọsịsa ya bụ ọrụ asụsụ na-arụ na nchekwa, nlekọta na ọgwụgwọ nrịanrịa a bụ nje na obiniajaọcha nke bekee kpọrọ HIV/AIDS. Ntụcha nchọcha edemede a sitere na nchọpụta nsinonwe, ajụjụ ọnụ a gbagasịrị ndị ụlọ ọrụ ahụike dị iche iche nakwa nke e nwetara n'ọwara intaneeti. Nchọpụta nchọcha a gosiri na nchekwa, nlekọta na ọgwụgwọ nje na ọrịa obirinajaọcha ga-abụ ihe ga-adị mfe ma dikwa ire ma ọ bụrụ na a hụta asụsụ dika ngwa ọrụ na-enweghị mgbagha na nchekwa, nlekọta na ọgwụgwọ nrịanrịa. Nke a bụ maka na ọ bụ site n'asụsụ ka nkọwa pụrụ iche ma dokwaa anya ga-esi n'aka ndị nkuzi na ndị nlekota ahụike ruo n'aka ndị ọrịa. N'otu aka ahụkwa, ndị ọrịa ga-enwekwa ike site n'asụsụ kọwaa onwe ha nke ọma n'ụzọ doro anya nye ndị nkuzi na ndị nlekọta ahụike a. Ndị nchọcha na-atụnye aro ka gọọmenti etiti ala anyị nwee ike tinye asụsụ n'ogo dị elu mgbe ọbụla a na-atụle maka nchekwa na ọgwụgwọ nrịanrịa dị iche iche site n'ime ka ndị na-amụ maka ahụike nwee ike nwee mmụta n'ihe gbasara sayensị asụsụ (Linguistics) ma tinyekwa ya dị ka otu n'ime amụmamụ ha (Syllalus). Ọzọkwa, ka a na-egozobe onye ntapị asụsụ dị iche iche n'ebe onye ọrịa na dibịa bekee nọ iji mee ka nghọta zuru oke dị n'etiti ha abụọ, ọkachasị n'ebe ha abụọ anaghi asụ otu ụdị asụsụ iji

mee ka nghọta zuru oke dị n'etiti ha abụọ. Nke a ga-eme ka e nwee ezi nchekwa na ọgwụgwọ nrịanrịa ga-abụ ịgba ma dịgide.

Ọkpụrụkpụ Okwu: Asụsụ, Nrịanrịa, Nchekwa, Ọgwụgwọ, Nje, Ọrịa Obirinajaọcha.

1.1 Mkpọlite

Ọrụ asụsụ na-arụ na nchekwa na ọgwụgwọ nrịanrịa dị ezigbo mkpa. Asụsụ bụ ụzọ dị mfe kachasị doo anya mmadụ na ibe ya ji ekwukọrịta okwu. Nke a bụ n'ihi na ndị mmadụ ndị bi n'otu obodo na-eji asụsụ emekorịta. Na ndụ mmadụ, asụsụ abụghị ebumpụta ụwa kama e nwere ike ịmụ asụsụ amụ, ọkachasị mgbe onye ahụ nwetara onwe ya n'okirikiri na n'ọnọdụ dabara adaba ga-enye aka n'ịmụ ya bụ asụsụ. Asụsụ dị oke mkpa na ndụ mmadụ. Ọtụtụ ndị nchọcha site n'uzọ dị iche iche na n'ịgbaso ọtụtụ usoro, ewetala echiche dị iche iche banyere uru asụsụ bara. Asụsụ na-enye aka n'ebe ọ dị ukwuu na nchekwa, ọgwụgwọ nrịanrịa na mwulite mmadụ ndị mejupụtara obodo nakwa obodo ahụ n'ozuzu oke. Ka o si kwụrụ, na mmadụ na-akọwadara mmadụ ibe ya ihe na-akpa ya n'ụzọ doro anya bụ site n'enyemaka asụsụ. Asụsụ na echiche nwere ihe jikọtara ha ọnụ. N'ihi nke a, a na-asi na ha na-emekọrịta. Ọ bụ eziokwu na e nwere ụzọ ndị ọzọ dị iche iche mmadụ na ibe ya nwere ike isi na-emekọrịta dị ka ide akwụkwọ ozi, iji akụkụ ahụ mmadụ dị iche iche, dgz, mana iji asụsụ emekọrịta, kachasị doo anya ma na-amịtakwa nnukwu mkpụrụ ọma n'ihe a chọrọ karịa ụzọ ndị ọzọgasị. Ụzọ ndị ọzọ ahụ bụ naanị obere mkpụrụ ka ha na-amila amịta ọkachasị n'ihe gbasaara ahụike mmadụ. Ederede a na-elebanye anya n'uru asụsụ bara na nchekwa na ọgwụgwọ nrịanrịa dị ka o si metụta nje na ọrịa obirinajaọcha. Ọ ga-esitekwa na ya gbaa n'anwu ọrụ asụsụ na-arụ na nchekwa na ọgwụgwọ nrịanrịa.

Asụsụ dị ka Ezebuilo (2020:15) siri kọwa bụ ihe kacha mkpa na nkọwa onwe, ma e dere ya ede, me e kwuru ya n'ọnụ. Nkwurịta okwu ma ọ bụ mkparịtaụka na-esitekarị n'etu e si were asụsụ rụọ ọrụ nakwa ụdị asụsụ e ji kwuo okwu iji mee ka nghọta ya pụta ihe ma zuo oke. N'ikwu eziokwu, asụsụ bụ otu njirimara mmadụ dị ndụ ma na-eku ume nwere. Anụmanụ ndị ọzọ dị ka ọkụkọ, ewu, atụrụ, nkịta, ehi, dgz enweghi asụsụ kama ha nwere ụzọ dị iche iche ha si egosi mbunoobi ha. Ụfọdụ na-ezipụta nke a site n'ibe akwa, ime mkpọtụ na mmegharị akụkụ ahụ dị ka ite ọdụ. Iji maa atụ, enwe na-ebe ụrịa iji gosi enwe ndị ọzọ na egwu dị; nnụnụ dị ka asha na-enwe ka ha si ebe ụrịa, asha ndị ọzọ amata na ihe oriri dị, ha were zukọta n'ebe akwụ chara. O nwekwara etu ọ ga-esi bee, asha ndị ọzọ amata na agwọ nọ n'akịrịka, ha ewee felega. Nnekwu ọkụkọ nwere ka o si akpọkọwa ụmụ ya ka ha bịa rie ihe. O nwekwara etu o ga-esi mee ụnara ụmụ ya amata na egbe abiala, ha ewee gbafuo. Anụmanụ enweghị asụsụ. Ihe ha na-eme bụ mkpọtụ.

N'inwa imejupụta nchekwa, nlekọta na ọgwụgwọ nrịanrịa, asụsụ dị ezigbo mkpa. Ọzọkwa, ọ bụrụ na ihe ndị mejupụtara mmụta n'ihe ọmụmụ nlekọta, nchekwa na

ọgwụgwọ nrịanrịa ga-abụ ihe ga-ekwe nghọta na itinye n'ọrụ, a ga-ejiriri asụsụ. Nke a bụ maka na ọ bụ asụsụ na-ahụ na ọtụtụ ihe a ga-eme nke ga-eme ka e nwee ezi nchekwa na ọgwụgwọ ọrịa zuru oke, doro anya. E nwere ike ịsị na asụsụ bụ ọkụ na-egosipụta ìhè n'ọnọdụ onye ma ọ bụ ndị ọrịa ọbụla, ọkachasị nke nje na ọrịa obirinajaọcha. Nke a bụ maka na ezi nkọwada doro anya maka ọnọdụ ahuike onye/ndị ọrịa na-esitekarị n'asụsụ. Ya bụ, asụsụ na-eweta ume ndụ na nchekwa, nlekọta na ọgwụgwọ ọrịa zuru oke, ọkachasị na nke nje ọrịa obirinajaọcha. Dịka asụsụ siri bụrụ ndụ mba ọbụla, otu aka ahụkwa ka o si eweta ndụ n'ebe onye ọrịa nọ n'ihi na ọ bụ asụsụ ka e ji akọwapụta ọnọdụ onye ọrịa, etu onye ọrịa ga-esi na aṅụ ọgwụ maka ọrịa na-arịa ya tụmadị ogogo ọgwụgwọ o nwetagoro. A ga-ekwu ole ghara ole, kedu ka dibịa ahụike ga-esi kọwara onye ọrịa ihe na-arịa ya, ihe butere ya bụ ọrịa, ọnọdụ na ogogo ọria ahụ na ihe a ga-eme ka e wee nweta ezi nchekwa, nlekọta na ọgwụgwọ ọrịa n'ụzọ doro anya ma dịkwa mfe ma e wezuga asụsụ?

Nje na ọrịa obirinajaọcha bụ ọrịa ọgbara ọhụrụ na ndụ mmadụ. Nje obirinajaọcha ka a na-akpọ Human Imun Defishensi Vaịrọsị 'HIV' na nke nke, ebe ọrịa obirinajaọcha pụtara Akwáyáádụ Imun Defishensi Sindrọm 'AIDS' na nke nke. Kemgbe nje na ọrịa obirinajaọcha a pụtara, ndị mmadụ a kpọọla ya aha dị iche iche. Ụfọdụ kpọrọ ya echieteka, ụfọdụ kpọkwara ya ọrịa-mmịnwu ebe ọtụtụ ndị ọzọ sịrị na ọ bụ ọrịa obirinajaọcha. Nsogbu anyị abụghị aha a kpọrọ ya kama ọ bụ ịmata ihe kwesiri anyị ịmata banyere ya bụ ọrịa ka mgbochi ya wee dịrị anyi mfe maka na mgbochi ọrịa ka ọgwụgwọ ya mma. Kadu ka nke a ga-esi dị ire ma ọ bụghị site n'asụsụ?

Ọzọ, ọ bụ asụsụ na-ahụ maka ọtụtụ ihe a ga-eme nke ga-eme ka e nwee nghọta, ntinye n'ọrụ, mgbochi, nchekwa na ọgwụgwọ ga-adị ire. Ya mere, ajụjụ dị mkpa ọrụ nchọcha a na-achọ ịza bụ etu a ga-esi gbochi, chekwa ma nweta ọgwụgwọ site n'iji asụsụ. Ọ bụ asụsụ ka a na-eji akọwapụta nchọpụta niile e nwetara na nchọcha, ọkachasị na ngalaba nturuugo nke sayensi nlekọta ahụike. Nchọpụta nchọcha ndị a mgbe e tinyere ha n'ezi ọrụ ga-egbochi ịnwụ agharaaghara site n'oriịa a, ma butekwa agamniihu n'ogo usoro ọgwụgwọ dibu adị nke ga-emecha bute mwulite na ntolite sayensi ọgwụgwọ ọrịa na nchekwa ya.

Ka o sila dị, ihe kpaliri mmụọ ndị nchọcha n'ihe ọmụmụ a bụ na ndị ụlọ ọrụ gọọmenti dị iche iche na-ahụ maka ahụike anaghị akpọta asụsụ aha mgbe ha na-atụle ihe gbasara ahụike na ihe ndị na-ama ya aka. Ya bụ, ha ahụtaghị asụsụ dị ka otu n'ime ihe ndị a na-ama aka na mnweta ezi nchekwa, nlekọta na ọgwụgwọ nrịanrịa n'ụzọ dị mfe. N'ebe a kpọtara ya aha nchancha, a naghị enwe iwu a na-ama a ga-eji na-echekwaba ya ka ọ gbanye mgbọrọọgwụ ma mịta mkpụrụ ọma.

Nchọcha a gbadoro ụkwụ n'usoro nchọcha nkọwa. Ọ bụ nchọcha nkọwa nke e mere iji gosipụta uru asụsụ bara na nchekwa, nlekọta na ọgwụgwọ ọrịa, ọkachasị nke nje na ọrịa obirinaajaọcha. Ihe nchọcha a ji wee họrọ usoro nchọcha nkọwa n'ime usoro nchọcha ndị ọzọ e nwegasịrị dịka usoro Sampụlin nke Sọvee, usoro kwọntitetivu, usoro Nnwale (Eksperimentalụ, na usoro ndị ọzọ kpọghị aha bụ ka a hụ na e mere nchọcha tọrọ atọ na nchọpụta e nwetagasiri n'ihe ọmụmụ a. Ntụcha nchọcha a sitere na nchọpụta nsinonwe na ndị e nwetagasịrị n'ụlọ ọgwụ dị iche iche tụmadị nke e nwetara n'ọwa intaneeti, akwụkwọ ọgụgụ dị iche iche na ederede ụfọdụ sitegasịrị na jọnalụ.

2.1 Ntụleharị Agumagụ

Asụsụ, ma ọ bụ nke amaala ma ọ bụghị, dị mkpa maka mgbasaozi, mkparịtaụka nakwa ịkpụ nghọta. Asụsụ amaala bụ asụsụ ndị bi n'otu ebe. Ọ bụkwa asụsụ nke ara nne nye otu ogbe. O bụ asusụ amaala nye agbụrụ nwe ya. A na-akpọkarị ya asụsụ 'ara nne' keonye. N'ebe ndị na-amụ maka sayensi akọ/uche nakwa ndị ọkachamara na sayensị asụsụ, asụsụ bụ mpio nke obi mmadụ. Nke a bụ n'ihi na ọ bụ ya na-akọwa ihe mejupụtara mmadụ. Mmepụta, ahụike, nkanụụzụ na emereme mmadụ ndị ọzọ niile agaghị apụta ihe ma e wepụ asụsụ. Ọzọ, n' imejupụta ihe anyị chọrọ ụbọchị ọbụla, anyị na-eji asụsụ. Sapir (1921) mere ka a mata na asụsụ bụ nnọọ mmadụ ma bụrụ ụzọ a hụrụ anya maka igosi echiche, mmetụtaobi, na ọchịchọ site n'iji akara ndị a chọrọ. Crystal (1971) n' akuku nke ya kọwara asụsụ dịka ụdaolu mmadụ a haziri ahazi n'ụdị ọdịmara nke na-abụghị ebumpụta ụwa mmadụ n'onwe ya, e ji akọwapụta echiche site n'okwu ọnụ ma ọ bụ n'ederede. N'otu aka ahụkwa, Whitney (1976) kọwara na asụsụ bụ uzọ e si egosipụta echiche, mmetụta obi, echiche obi na etu mmadụ si akpaso ndị ọzọ agwa site n'iji okwu a haziri ahazi. N'ebe Whitney nọ, emeghị asụsụ eme kama ọ bụ ewumewu, ihe so omenaala ndị mmadụ nwe ya nwere dịka ihe nketaoke. Butler (1990) n'echiche nke ya kọwara na mkparịtaụka keasụsụ n'enweghi mgbagha ọbụla, bụ otu njirimara nke ndụ mmadụ. N'ụzọ ọzọ, Hornby (1999) hụtara asụsụ dị ka usoro mmadụ si eji ihe ngosi na ihe nnọchiteanya dị iche iche ezirite onwe ha ozi bụ mkpụrụokwu nwegasịrị nghọta, ndị e nwere ike ịsụ asụ, dee ede ma ọ bụ gụọ, mee ka a mata ebumnobi mmadụ. Ọ bụkwuazị okwu e kwuru n'ọnụ ma ọ bụ e deturu edetu site na mkpụrụ edide ya. Agbedo (2007) n'ịkwado ihe ndị ọzọ kwuru, kọwara na asụsụ dị ka ihe jikọtara ihe niile a na-eme eme. Nke a bụ n'ihi na asụsụ bụkarị ngwaọrụ e ji eme ihe ndị ọzọ, ọkachasị ka o siri metụta nchekwa na ọgwụgwọ nrịanrịa dị iche iche mmadụ na-arịa. Ọ bụ nke a mere Odo (2007) jiri kwuo na asụsụ bụ echiche; echiche bụkwa asụsụ. Eze (2012) kọwara asụsụ dị ka ụzọ dị ọkpụ kachasị doo anya mmadụ na ibe ya ji ahụ obi mmadụ anya. Eze, Aboh na Aruah (2017) na-egosi na asụsụ bụ agwa nke a gaghị ekewapụlị ya na mmadụ maka iji ya agbanwerita echiche na mbunuche n'ihi na ihe niile gbasara mmadụ gbara asụsụ gburugburu. Nke a bụ maka na ọ bụ site n'asụsụ ka mmadụ na ibe ya ji enwe mmekọrịta n'ụdị ide leta, ịkparịta ụka, iza ekwentị, ịzụrita

ahịa, ịdozi esemokwu n'etiti mmadụ na ibe ya nakwaịkụzi ma werekwa ya amụta akwụkwọ n'ụlọ akwụkwọ. Ọ bụkwa asụsụ na-egosi agbụrụ ma ọ bụ obodo mmadụ si pụta. Onye Awụsa sụọ asusụ, a mata na ọ bụ onye Awụsa. N'otu aka ahụ, onye Owere sụọ asụsụ, a mata na ọ bụ onye Owere. E ji asụsụ akụzi ma na-ezipụtakwa omenaala. Site n'asụsụ ka anyi si amụta agwa ọjọọ ma sitekwa na ya na-amụta ihe ọgbara ọhụrụ dị iche iche dị ka kọmputa, ekwentị, na ihe ọgbara ọhụrụ niile na-apụta n'ụwa kwa ụbọchi. Ọ bụ asụsụ ka e ji agbasa akụkọ, na-akụzikwa ihe dị iche iche na redio na ihe onyonyo (televishịon). Anyị ga-ekwu ole ghara ole, ọ bụ asụsụ ka anyị ji emepụta ma na-edekwa agụmagụ, abụ na ejije dị iche iche nke na-enye anyị obi anụrị. Ọ bụrụ na e lee anya n'uru ndị a e zipụtagasịrị asụsụ na-aba, anyị ga-achọpụta n'ezie na asụsụ jikọtara ihe niile a na-eme eme na ndụ mmadụ. Ọzọkwa, asụsụ na-arụ ọrụ pụrụ iche na mbilite na ọdịda nke mba obụla. Ya mere, nchekwa na ọgwụgwọ nrịanrịa nke mmadụ ọbụla dabekwara n'ebe ọ dị ukwuu n'ogo uru e nyere asụsụ. Uru asụsụ na-aba n'ọgwụgwọ ọrịa abụghị ihe a ga-asị ka e wezuga n'akụkụ ma gwọwa ọrịa.

2.2 Ọria dị iche iche, ụzọ nchekwa na nkwenye gbasara ha

Nrịanrịa bụ aha njikọtaọnụ maka ọrịa dị iche iche na-arịagasị mmadụ. Ọrịa bụ nsogbu ahụike na-enwe nke ga-eme ka ọ nọrọ n'ihe mgbu na ahụụfụ. Ihe ọbụla na-eme ahụike ka o nwee mwute, ahụụfụ na nkwuhieọnụ bụ ọrịa. N' ikwu eziokwu, ọrịa bụ onyeiro ahụike. Ọrịa na-ewetara ahụike akwa na obi mgbawa n'ụzọ dị njọ. Ọfọmata (2013) kọwara na ọrịa bụ nsogbu na ihe ịgba anyammiri dịịrị ahụike ma bụrụkwa nnukwu nsogbu dakwasara ụwa.

Ọrịa dị iche iche jupụtara n'ụwa taa, ma ndị a na-ahụ anya ma ndị a naghị ahụ anya. Ọ bụ ya mere e ji asị na orịa dị n'ụdị n'ụdị. E wezuga ọrịa ime mmụọ, ọrịa uche, ọrịa nghọta, ọrịa obimgbawa, ọrịa ọbara mgbalielu ma ọ bụ mgbada ala na ọrịa akọnauche bụ ọrịa ndị a naghị ahụ anya, ụdị ọrịa ndị ọzọ bụzi ndị a na-ahụ anya. Ọrịa ndị a a naghị ahụ anya na-arịa ndị mmadụ anaghị ekwe onye ha na-arịa ka ọ ṅụọ mmiri tọgbọ iko. Onye ọbụla ụdịrị ọrịa ndị a na-arịa na-enwe nsogbu ime ahụ mana onye nọ onye ọrịa ahụ n'akụkụ anaghị amata ihe onye ahụ na-agabiga. Ka o sila dị, ọrịa nke gbasara ihe ọmụmụ a bụ nke nje na ọrịa obirinaajaọcha.

Ọtụtụ aha dị iche iche a na-enye ọrịa dị iche iche n'asụsụ mba ụwa dị iche iche na-agbadokarị ụkwụ na nkwenye ndị mmadụ nwere banyere ha. Iji maatụ, n'asụsụ Igbo, ọtụtụ aha ha na-abagasị nrịanrịa dị iche iche na-agbadokarị ụkwụ na nkwenye ha. Ihe a na-akpọ ọrịa strooku (Stroke) n' asụsụ Igbo bụ ḿbá ḿmúó (grip of the spirit), sịkụlụ selụ anemịa (Sickle cell anaemia) bụ ọgbanje (one who goes and returns) (Oli, Nwaozụzụ na Mbah, 2013). HIV bụ nje obirinaajaọcha ebe AIDS bụ ọrịa obirinaajaọcha/mminwụ/ọnwụ

dị nso. N'iga n'ihu, ndị Igbo kwenyekwara na nwantakịrị ọbụla na-arịa sịkụlụ selụ anemịa na ya na ndị mmụọ nwere ọgbụgba ndụ siri ike ịlọghachite azụ n'ala ndị mmụọ mgbe ya na ha kwekoritara. Ọzọ, ndị Igbo kwenyekwara na ọrịa strooku na atụkarị onye/mmadụ site n'agha ajọ mmụọ e mejero na-ebuso onye ahụ (ya bụ onye mejoro ajọ mmụọ ahu). Ya bụ, mmụọ dị obi ọjọọ na-eji ọrịa strooku akwụghachi onye mejoro ya ụgwọ (Oli, Nwaozuzu na Mbah, 2013).

Nkwenye ndịagasị, kasị egosipụta onwe ha site n'usoro enyem aha ha na-enye ọrịa dị iche iche. Ọtụtụ ndị nrịanrịa bụ ndị a naghị akpọga ụlọọgwụ maka ezi nleta anya na ọgwụgwọ n'ihi nkwenye ha nwere banyere ụdị ọrịa ndị ahụgasị na-arịa ha. N'ọnọdụ dị etu a, onweghị ụdị mkpu a ga-eti gbasara ụdị ọrịa ndị ahụ nke ga-abanye ntị ndị mmadụ ma ọ bụ metụta ha n'obi.

Nchekwa ahụike onye/ndị ọrịa bụ ụzọ mmadụ na-agbaso ma ọ bụ ihe niile mmadụ na-eme iji wee gbochie mbawanye ọrịa nke na-arịa mmadụ. E nwere ike inweta nchekwa site ịnụ ọgwụ, ma ọ bụ nke ọdịnaala ma ọ bụkwanụ nke bekee, site n'ịgbaso nchọpụta e nwetara n'aka dibịa afa ma ọ bụ nke bekee banyere ọrịa na-arịa mmadụ, ịchụ aja dị iche iche, ịsọ ihe ụfọdụ a na-eri eri ma ọ bụ anụ anụ, wee gabazie. Mgbe anyị na-ekwu maka nchekwa ahụike mmadụ, ọ bụghị naanị onye/ndị nlekọta ma ọ bụ dịbịa ahụike nwere ike ichekwa ahụike mmadụ. Mmadụ, tụmadị onye anaghị arịa ọrịa ọbụla nwere ike ichekwa ahụike ya site n'izere ihe ụfọdụ ọ chọpụtara nke ahụ ya anabataghị. Ndị Igbo na-ekwu na mgbochi ọrịa ka ọgwụgwọ mma.

Ụzọ kacha mma ndị Igbo si agbanahụ ọrịa bụ site n'igbochi ya. E nwere ụzọ dị ichi iche e si egbochi ọrịa nke gụnyere idowe gburugburu ebe anyị bi ọcha, iri ezigbo nri, ịgba ma ọ bụ ịnụ ọgwụ mgbochi, tinyere izere ihe ọbụla nwere ike ibute ọrịa ahụ. Ndị igbo sị na onye Chukwu na-azọ, na-azọ onwe ya. Ya bụ, na ọ bụ ihe kwesiri ekwesi ka onye ọbụla mara ihe ma wepụ mma n'akịdị n'ihi na e jighi mma ebi akịdị. Ọ bụ ihe ziri ezi na mmadụ ga na-akpachapurụ ndụ ya anya. Ọzọkwa, iri ezigbo nri, inwe obi ọcha na obiụtọ n'ụzọ pụrụ iche na-enye aka na nchekwa ahụike tụmadị na mgbochi ọrịa dị iche iche. N'otu aka ahụkwa, nwoke na nwaanyi ọbụla kwesikwara ịkpachapụ anya n'ebe ihe gbasara mmekọrịta nwoke na nwaanyị dị n'ihi na nkwụcha abụghị ụjọ. N'agabanyeghi ụzọ nchekwa ma ọ bụ mgbochi ndị e kwurula maka ha, mgbe ụfọdụ kwa, a na-enwe ọgwụ mgbochi ọrịa a na-agba maka ọrịa ịtụ ma ọ bụ ịdakwasị mmadụ. Ọgwụ mgbochi a na-enye aka n'ebe ọ dị ukwuu. Nke a bụ n'ihi na ọ bụrụ na mmadụ a gbaa ya bụ ọgwụ mgbochi, ọ na-egbochi ọrịa ụfọdụ na-arịagasi ndị mmadụ ịtụ ma ọ bụ ịrịa ma ọ bụkwanụ ibanye onye gbara ya n'ahụ.

Anyị ekwuola na mbụ na e nwere ụdịdị ọrịa dị iche iche, ma zipụtakwa ha. Mana n'ime ụdịdị ọrịa ndị ahụgasị e nwere ndị na-ahụnye ụjọ n'ahụ ndị mmadụ karịa ibe ha. Nje na ọrịa obirinaaja ọcha bụ otu n'ime ha. Nhụnye ụjọ a na-esitekarị na nkwenye ndị mmadụ nwere banyere ụdị ọrịa ahụ ma ọ bụ enweghi ezigbo nghọta banyere ihe niile gbasatara ọrịa ahụ etu o kwesiri. Ya mere, mgbe ụfọdụ, ndị mmadụ na-asọ ma na-agbakwara onye a chọpụtara na-arịa ọrịa a bụ mmịnwụ/obirinajacha ka a ga-asị na a na-atụ ya mmadụ ka ịchê ma ọ bụ na ọ bụ ọrịa nọ n'ikuku na-efe efe dịka arụbara ma ọ bụ kịtịkpa (Chicken-pox). Mgbe ụfọdụkwa ha na-emesọ ha omume ọjọọ dị iche iche dịka izere ịmetụ ihe ọbụla onye ọrịa ahụ metụrụ aka, idebe ha iche (isolating the person) n'ụdị abụla ụdị, na omume ndị ọzọgasị anyị akpọghị aha ebe a. N'ọnọdụ dị etu a, ọ ka mma na e chere ya eche karị ikwu ka obi ga-adị onye ọrịa ahụ. Nke a nwere ike ibutere onye ọrịa ahụ ọnwụ erughị eru n'ihi nleghara anya a na-eleghara ya. Ọnọdụ ntụkwọ a na nleghara anya nke na-esite n'aka ụmụnne ma ọ bụ ikwu na ibe onye ọrịa ahụ na-eme na mgbe ụfọdụ ndị mmadụ chọpụta na ha ebutela nje obirinaajaọcha a, ha ezochie ya ka mmadụ ghara ịma n'ihi ụdị akaja ndị ọrịa a na-agabiga. Ha chezokwara na a na-atụ n'ilu sị na onye kwachie ọrịa, ọrịa akwachie ya. Mgbe ụfọdụkwa, ha agaghị aga n'ụlọ ọgwụ ebe a ga-enyere ha aka ka ha ghara ịnwụ ọsọsọ site n'ịnata ezi nlekọta, kama ha ahọrọ ịnọọrọ onwe ha na-anwụ na nzizo.

N'ezie, ihe onye ohi na-eme buru ibu, ma ihe a na-ebodo ya bukwara ibu. Kedu ihe anyị na-achọ ịkọwa? Ọ bụ eziokwu na nje na ọrịa obirinaajaọcha a jọrọ njọ mana ọ haghị etu ndị mmadụ si ahụta ya, ọkachasị na nkwenye ụfọdụ ha nwere banyere ya. Ọrịa ọbụla nwere ike igbukwa mmadụ ma ọ bụrụ na a kpachapụrụghị ya anya. Mgbe ọrịa a ka bụ nje (HIV), onye ahụ ka nwere olile anya n'ihi na e nwere ike igwọta ya. Mana ọ bụrụ na ọ banyela n'ọrịa ọbirinaajaọcha (AIDS), ebe ahụ ka mpiti kwere n'ihi na ọgaghizi ekwe ngwọta. N' ọnọdụ dị etu a, ọ bụ asụsụ na-ahụ maka ọtụtụ ihe a ga-eme ka e nwee nghọta, tinye n'ọrụ mgbochi na nchekwa ga-adị ịre. Naanị ihe a ga na-emere onye ahụ bụ ilekọta ya anya (managing the patient) ganye mgbe ọnwụ bịara. Ihe ka mkpa ugbu a bụ ụzọ a ga-esi mee ka ndị mmadụ mata eziokwu banyere ọrịa a.

3. Ntụcha

3.1 Nje na ọrịa obirinaajaocha

Nje na ọrịa obirinajaọcha bụ ajọ ọrịa ọgbara ọhụrụ na ndụ mmadụ. Nje obirinajaọcha ka na-akpọ Human Imun Defishensi virọsị, HIV na nke nke ebe ọrịa obirinajaọcha pụtara akwayadụ Imun Defishensi Sindrọm, AIDS na nke nke. Ndị mmadụ enyela ọrịa a otụtụ aha dị iche iche kemgbe o jiri pụta dị ka: mmịnwụ, ọnwụ nọ nso, echieteka, ọrịa obirinaajooọcha. Ọtụtụ aha ndị a a na-akpọgasị ya abụghị nsogbu anyị, kama ọ bụ ịmata ihe kwesiri anyị ịmata banyere ọrịa a dịka nsieme ya na n'ụzọ mmadụ nwere ike isi bute

ya bụ ajọ ọrịa ka oke ghara ịta akpa dibịa, ka dibịa gharakwa ịhụ oke ọnụ n'ọkụ. E wezuga nke a, mgbochi ọrịa ka ọgwụgwọ ya mma. Oge nje a banyere mmadụ ahụ, ọ na-esoro ọbara onye ahụ gazue ahụ ya niile. Ajọ ihe dị n'ebe nje a nọ bụ na ọ naghị egosi onwe ya ozugbo ọ banyere mmadụ ahụ. O nwere ike ịnọ mmadụ n'ahụ mmadu, ọtụtụ ọnwa tupu ọ malite gosibe onwe ya. Ọ bụrụ na nje a abata n'ahụ, ọ na-ejiri nwayọọ gbuo ụmụ ihe ndị ahụ na-arụ ọrụ nchekwa ma ọ bụ igbochi ọrịa ibanye n'ahụ mmadụ. Ya bụ, nje ndị ahụ na-alụkwasị ihe mgbochi ọrịa niile o kwudoro n'ahụ mmadụ ọgụ. Mgbe o gbuchara ihe ndị ahụ niile, ahụ onye ahụ eghere oghe nye ọtụtụ ọrịa ndị ọzọ dị ka ụkwara-nta, ajọ ịba, afọ ọsịsa, dgz (Okoye, 2006). Mgbe nje a gbuchara ndị agha ahụ na-echedo ahụ mmadụ maka ọrịa nche, ọ ga-ebido gosibe onwe ya n'ụdị nsieme dị iche iche n'ahụ onye ahụ dị ka:

- Onye ahụ ebido nwebe oke ahụ ọkụ mgbe niile.
- Onye ahụ ga-ebido tawa ahụ n'ike n'ike n'ụdị dị egwu nke ga-eme ka ọ mịkpọọ dị ka aziza;
- Akpụkpọ anụ ahụ onye ahụ na-agbanwe, na-acha ka onye ọbara adịghị n'ahụ;
- Onye ahụ ga-enwe nke a na-akpọ kansa na-ata ya n'egbugbere ọnụ;
- Ụmụ ọrịa ndị ọzọ jọrọ njọ ga-abanye onye ahụ n'ahụ dị ka ụkwara-nta, ọrịa shuga, afọ ọsịsa, ajọ ịba, dgz;
- Onye ahụ ga-ebido nwebe ọkọ na akpụkpa na-atakasị ya ahụ niile;
- Onye ahụ ga-ebido nwebe afọ ọsịsa n'ụdị dị egwu dị ka a kpoghere mmiri pọmpụ. Nke a bụzị nke ga-edula onye ahụ ala mmụọ.

Ọ dị mkpa ka e mee ka a mata na ọ bụ nje HIV na-ebute ọrịa obirinajaọcha (AIDS). Ngwangwa HIV nọgidere ghọrọ AIDS, ị mara na ọ bụzị echieteka nke gosiri na ngwọta adịghịzị. Nke a pụtara na onye ahụ ga-anwụrịrị na ya bụ ọrịa (Udeh, 2022).

3.2 Ụzọ dị iche iche e si ebute HIV/AIDS na ụzọ e si egbochikwa ha

Ọrịa obirinajaọcha bụ ajọ ọrịa na-egbu mmadụ na-eleghianya n'azụ. Ọ na-abụ ogbuwe mmadụ, O gburue ya n'isi. Ka ihe si kwụrụ ugbuaa, e nwetabeghị ọgwụ e ji agwọ ya. Ya mere, onye ọbụla ya bụ ọrịa jidere na-atagbu onwe ya n'ahụhụ. Ọ gakwa ememina onye ahụ n'ihi na ụzọ a ga-esi chụpụ ya n'ahụ onye ahụ adịghị. Maka ihi ajọ ọnọdụ ọrịa a na-ewetara ndị na-arịa ya tụmadị ndị nwe ha, ọ dị mkpa na a ga-ezipụta ụzọ dị iche iche mmadụ nwere ike isi bute ya. Nke a bụ maka na agha a kara aka, anaghị eri nwa ngwụrọ. Ọzọkwa, onye zere ọrịa, o zere ọdachi so ya, maka na o chi ntị aghaghị ịnụ ihe n'ime ite ofe. Ụzọ dị iche iche mmadụ nwere ike isi bute ọrịa a gụnyere:

- Mmekọrịta nwoke na nwaanyị. Ọ bụrụ na nwoke ma ọ bụ nwaanyị bu nje HIV e nwee mmekọ nwoke na nwaanyị, onye nke bu ya ga-ebunye ibe ya.

- Ị mịrị ọbara onye bu nje a gbanye n'ahụ onye nke na-ebughi ya. Nke a nwere ike bụrụ akpachaghị anya, mana onye ahụ a gbanyere ọbara ahụ n'ahụ ya, ga-eburu nje ahụ ozugbo.
- Ị were mkpa, agụba, mma e jiri kpụọ onye bụ nje a isi nke ọbara ya metụrụ wee kpụọ ma ọ bụ bee onye na-ebughị ya bụ nje, o ga-eme ka onye ahụ buru ya ozugbo.
- Ị jiri ntụtụ e jiri gbaa onye bụ nje a ọgwụ were gbaa onye na-ebughị ya ga-emekwa ka onye ahụ bute ya bụ nje, ọkachasị ma ọ bụrụ na onye gbara ya ọgwụ ahụ esighị ntụtụ ahụ n'ọkụ nke ọma.
- Nwatakịrị e bu n'afọ nwere ike ibute HIV site n'eriri ma ọ bụ kọodụ (Cord) jikọtara ya na nne ya ma ọ bụrụ na nne ya bu ya bụ nje. Ọzọ, o nwekwara ike ibutekwa nje a mgbe a na-amụpụta ya ma ọ bụ site n'ịnụ ara nne ya.

Mana ebe kachasị pụta ihe e si ebute HIV bụ site na mmekọrịta nwoke na nwaanyị. Ya bụ ka onye ọbụla kpachara anya etu o si enwe mmekọ a. Nke bụ na ọ bụ nwata nọrọ nwayọọ, ihe ga-eme ya anọrọkwa nwayọọ.

N'aka nke ọzọ, dị ka e nwere ụzọ e sigasị ebute ọrịa a e nwekwara ụzọ e nwere ike isi gbochie ya bụ ọrịa. Ya mere, anyị ga-elenye anya n'ụzọ olenole e nwere ike isi gbochie mmadụ idanye n'ajọ ọrịa a. Nzipụta ụzọ ndị a dị mkpa maka na ndị Igbo kwenyere na mgbochi ọrịa ka ọgwụgwọ mma. Ụzọ e nwere ike isi gbochie HIV a bụ nke na-eduba n'ọrịa obirinajaọcha (AIDS) gụnyere ihe ndị a.

- Anyị ga-agbasị mbọ ike zeere mmekọ nwoke na nwaanyị site n'ijidesi onwe anyị aka ike n'ihe gbasara mmekọrịta nwoke na nwaanyị, ọkachasị n'ebe ndị ntorobịa nọ ka anyị ghara ibute ọrịa a bụ HIV/AIDS. Ndị ntorobịa nwenụ ndịdị chere mgbe unu lụtara di ma ọ bụ nwunye nke unu. Mgbe ahụzị, ụra ga-eju onye nwụrụ anwụ afọ. N'akụkụ nke ndị lụgoro dị na nwunye, ka ha chiba ụkwụ n'ụlọ ma na-echetakwa mgbe ọbụla na ihe na atọ ụtọ, na-egbukwa egbu, ma ghara ịdị na-ebutere onwe ha ọnwụ erughi eru nke nwere ike ibutere ụmụaka ha ga-ahapụ ịta oke ahụhụ.
- Tupu amịnye mmadụ (onye ọrịa) ọbara sitere n'ahụ onye ọzọ, a ga-agba mbọ nyochaa ya bụ ọbara nke ọma, mara ma o nwere ka nje a si dị na ya bụ ọbara tupu agbanyebe ya n'ahụ onye ọzọ na-ebughị nje a.
- A ga-akwụsị iji ntụtụ ejigoro were gbaa mmadụ ọgwụ werekwa gbaa onye ọzọ ma e siri ya n'ọkụ ma ọ bụ e sighi ya. Nke a bụ ka e jide n'aka na a gaghị esite n'ụzọ dị etu ahụ were bute ya bụ ọrịa.
- Mmadụ na ibe ya ejila otu agụba were kpụkọọ isi ma ọ bụ bekọọ mbọ ebe ọ bụ na e nwere ike isi na ha wee bute ọrịa a.

- Ọzọ dị oke mkpa, hụ na ị na-eje maka nlele ahụike gị mgbe ọbụla ọrịa na-arịa gi n'ụlọ ọgwụ ebe e nwere ndị nlekọta a zụrụ nke ọma ma ọ bụ na nke dibịa mara ihe ọ na-eme. Nke a bụ ka mmadụ ghara ịdị na-akwa ụgbọala ya aka, ma na-etinyekwara ya weeji.

3.3 Etu a ga-esi nyere ndị nwere ọrịa HIV/AIDS aka ma na-emesokwa ha omume

Omume ụfọdụ ndị mmadụ na-emeso ndị a chọpụtara na ha bu ọrịa obirinajaọcha a ezighi ezi, ma bụrụkwa ihe ekwesighi ka a na-eme. Iji maatụ, ndị mmadụ na-asọkarị onye ọbụla a chọpụtara na o bu ọrịa a oyi. Ụfọdụ ndị mmadụ na-ahụkwa onye dị etu a dị ka onye mmekọrịta ya na ha bụ arụ, ma na-ahụtakwa onye ahụ dị ka onye mere nsọala, ọkachasị mgbe onye ahụ banyerela n'ọndọdụ AIDS. Ụdị nhụta ahụ adịghị mma n'ihi na ọnwụnwa a nwere ike ịdakwasa onye ọbụla. Kama, ka ndị mmadụ na-ahụta ha dị ka ndị ọnwụnwa dakwasara ma nyere ha aka kwesiri na a ga-enyere ha.

Mgbe mmadụ nwebere nsieme ọrịa a, ihe mbụ a ga-eme bụ ị kpọrọ onye ahụ gaa n'ụlọ ahụike ebe e nwere dọkịta na ndị nlekọta a zụrụ nke ọma n'ihe gbasara ọrịa ahụ maka ịgbochi ya bụ ọrịa ka ọ ghara ịbawanye karịa etu ọ dị na mbụ. Oge dọkịta sitere n'ihe nsieme ọrịa ahụ na-arịa mmadụ chọpụta na ọ bụ ọrịa obirinajaọcha na-azọbanye ụkwụ, dọkịta ahụ ga-eziga onye ọrịa ahụ na mpaghara ụlọ ọgwụ ahụ ebe e nwere ndị a zụrụ nke ọma n'inye ndụmọọdụ gbasara ụdị ọrịa ahụ. Ihe a na-akpọ ụdị ndụmọọdụ ahụ bụ Pri-Testin Kansilin (Pre-testing counseling). N'ebe ahụ ka a ga-eme ka onye ahụ kweta ka e nyocha ya ka e wee chọpụta ihe ọ bụ tupu ebido nyebe ya ọgwụ.

Ọ bụrụ na onye ahụ emechaa a nyocha a a na-ekwu maka ya, o wee gosi na ọ bụ nje a na-eduba n'ọrịa obirinajaọcha banyere ya ahụ, a ga-ebido nyebe onye ọrịa ahụ ọgwụ kwesiri ya. Mkpokọta aha a na-akpọ ọgwụ a na-enye maka ọrịa a bụ 'Anti-Retroviral Drugs' (ARD) na bekee. Ha gụnyere:

i.	Zidovudine	–	AZT
ii.	Nevirapine	–	NVP
iii.	Lamivudine	–	3TC
iv.	Efervirenz	–	EFV
v.	Tenofovir	–	TDF
vi.	Stavudine	–	ST
vii.	Lopinavir	–	LPVN
viii.	Abacavit	–	ABC (Udeh, 2022).

N'ọgwụ niile ndị a e depụtara n'elu, a ga-eweta ụzọ atọ n'ime ha wee nye onye ahụ n'otu oge/mgbe. Ụzọ ọgwụ atọ ahụ e nyere onye ahụ otu mgbe ka a na-akpọ 'Active Anti-

Retroviral Therapy (AART). Aha ndị a niile bụcha n'olu bekee n'ihi na e nwebeghi aha a na-akpọ ha N'Igbo. O nwekwara ụzọ atọ ọzọ e si enye ọgwụ a nke a kpọrọ n'olu bekee dị ka:

i. 1st line
ii. 2nd line
iii. 3rd line

Ụzọ ọgwụ atọ a a na-enye onye ọrịa ahụ otu mgbe ka a na-akpọ (agba nke mbụ). Ọ bụrụ na onye na-arịa ọrịa a ahapụ ịṅụ ọgwụ a dị ka e si kwuo, ị mara na onye ahụ emebiela lainụ laịnụ/agba nke mbụ. Nke a ga-eme ka e bidokwa inye ya ọgwụ ahụ n'isi. Mgbe a malitekwara ya n'isi, a kpọọ ya agba nke abụọ ma ọ bụ laịnụ nke abụọ (2nd line). Lee ịmaatụ ka laịnụ ndị a si aga:

Agba nke mbụ (1st line)

1. Zidovudine/Lamivudine/Nevirapine
AZT/3TC/NVP

Agba nke abụọ

2. Zidovudine/Lamivudine/Efervirenz
AZT/3TC/EFV

Agba nke abụọ atọ?

3. Tenofovir/Lamivudine/Nevirapine
TDF/3TC/NVP

Ka ihe si kwụrụ, ọ dị mkpa ime ka anyị mata na n'obodo anyị a bụ Naijiria, na ọ bụ naanị usoro ọgwụ laịnụ nke mbụ na nke abụọ bụ ihe dị n'obodo anyị. Agba nke atọ adịbeghị n'obodo anyị. Nke a dị oke ọnụ ma o nwee ka e si hụ ya anya, mana ọ dị na mba ụwa ndị ọzọ.

Onye bu ọrịa a ma na-aṅụ ọgwụ ya kwa ụbọchi nwere ike ịlụta onye na-enweghi nje obirinajaọcha. Mana ha abụọ ga na-eji ihe a na-akpọ kọndọn (okpu nnabụenyi) were na-enwe mmekọ. Mgbe ha chọrọ ịmụta nwa, ha ga-enwe mmekọ mgbe nke nwaanyị nọ n'ọnọdụ nsọ ya (ovaluation period). Ọ bụrụ na nwaanyị ahụ amụta nwa, ọ ga-enye ya ọgwụ nke a na-akpọ 'Niverapine' kwa ụbọchi ihe dịka izu ụka isii (six weeks) tupu ọ kwụsị. Ka nke a na-eme, nne ya ga na-agakwa n'ihu na-anụ ọgwụ nke ya kwa ụbọchi. Onye ọbụla bu ọrịa a wee mụọ nwa, ga-enye nwa ya ara naanị otu afọ na ọnwa abụọ (a year and two months).

Ihe ọzọ dị mkpa ime ka ọhanaeze mata banyere ọrịa a bụ na onye ọbụla bu ọrịa a wee gaa ya na onye ọzọ bukwa ọrịa wee nwee mmekọ, onye ahụ ga-eburukwa vaịrọs ọhụụ

tinyekwara na nke o bubu na mbụ. Nke a na-emekwa ka ọgwụ onye ahụ na-aṅụ gharakwa ịdị ire. Ya mere, onye ọbụla bụ ọrịa a ekwesighi ịdị na-enwe mmekọ nwoke na nwaanyị aghara aghara. Nke a bụ maka na ụfọdụ ndị mmadụ bu ọrịa a na-asị na ebe ọ bụ na ha ebutela ọrịa a na ha ga-aga n'ihu na-ekesa ya ndị ọzọ ka sọ ha ghara ịnwụ. Mana onye ọbụla na-eme nke a bụ onwe ya ka ọ na-egbu. Nke a bụ maka na ọ bụrụ na onye bu ọrịa a anọgịdesie ike na laịnụ nke mbụ, na-aṅụ ọgwụ ya kwa ụbọchị, ọ ga-adị ogologo ndụ ma gharakwa ịnwụ ọsọsọ dị ka o kwesiri ma ọ bụ etu ndị mmadụ si eche.

Ọ bụrụ na e lee anya n'ụzọ ndị ahụ dị iche iche anyị zipụtarala nọ n'elu nke mmadụ nwere ike isi na ha bute HIV/AIDS na kwa etu e nwere ike isi gbochie mbute ha n'okpuru 3.2, o nweghị ụzọ kachasị doo anya e nwere iji mee ka ndị mmadụ ghọtagasịa ha nke ọma ma ọ bụghị site n'asụsụ. Ya bụ, asụsụ bụ ezigbo akarangwa ọru nyere ime ka ihe ndị ahụgasị metụta ma banye mmadụ n'obi. N'ụzọ niile e si elenye anya n'ahụike mmadụ, asụsụ dịrịrị mkpa.

N'ọkpụkpọ oku dị etu a ma ọ bụkwanụ n'ọgbakọ dị etu a, ọ bụ iji asụsụ, ọkachasị asusụ onye ọbula ga-aghọta n' etiti ndị zara oku ha kpọrọ ga-aka amịta mkpụrụ a chọrọ. N' ọgbakọ dị etu ahụ, a ga-eme ka ndị mmadụ mata ogogo dị iche iche ọrịa ahụ na-agabiga n'ahụ mmadụ tupu ọ bụrụ nke ọnwụ. Ma ọ bụghị ya, onweghị ụdị mkpu a ga-eti gbasara ya bụ ọrịa nke ga-abanye n'obi ndị mmadụ ma ọ bụ metuta ha n'obi. N'ekwughị ya ekwu, ọ bụ naani asụsụ nwere ike ime nke a. Ọzọkwa, ọ bụ naanị mgbe e gbogasiri nsogbu gbasara asụsụ e nwere n'agbụrụ ma ọ bụ n' obodo ka ezigbo mkpakọrịta ga-amalite dịba n'etiti ndị ụdị ọrịa a na-arịa na ndị ikwu na ibe ha tụmadị ndị nlekọta ha. Mgbe nke a mere, ịhụ na ọrịa a agaghịzị egbu ndị mmadụ etu o si egbu na mbụ.

3.4 Ọrụ asụsụ na nchekwa, nlekọta na ọgwugwọ nrịanrịa

Asụsụ n'akụkụ ụwa niile nwere ezigbo ọrụ ọ na-arụ n'ebe nchekwa na nnweta ezigbo nlekọta ahụike ndị ọrịa nọ. Nchekwa, dị ka o si metụta ahụike onye ọrịa gụnyere ụzọ dị iche iche a na-agbaso n'ichekwa ahụike mmadụ ka ọrịa ghara ịbata ma ọ bụ ka ọnọdụ ya ka mma karịa etu ọ dịbu na mbụ. Ọ pụtakwazịrị ụzọ e si egbochi ọrịa ka o ghara ịmụbanye karịa etu ọ dị n'ebe ndị rịbagorọ ọrịa a nọ. Ụzọ ndị dị iche iche e nwere ike isi gbochie ọrịagasị bụ site n'asusụ ka e si ezipụta ha ka o doo anya, ọkachasị n'asụsụ amaala. Nke a bụ n'ihi na mmadụ na-aghọta ihe nke ọma ma e jiri asụsụ ara nne ya kuziere ma ọ bụ kọwara ya ihe ahụ.

Ọrụ mbụ asụsụ na-arụ ma ọ bụ nke amaala, ma ọ bụghị ya bụ nzikọrịta ozi. Nchekwa na ahụike onye ọrịa dabere nke ukwuu n'etu onye/ndị nlekọta ma ọ bụ dịbịa na-elekota ọrịa siri ghọtadebe etu onye ọrịa siri kọwa etu o si eme ya. Ya na nsieme ọrịa ahụ. N'ihi ya,

nchekwa ahụike onye ọrịa na-amalite mgbe onye nlekọta ghọtara nkọwa onye ọrịa nyere ya, ya na nsieme ọrịa na-arịa onye ahụ. Nke a ga-enye aka ka onye ma ọ bụ ndị nlekọta onye ọrịa ahụ mara ụdị enyemaka ha ga-enye onye ọrịa ahụ n'ụdị nchekwa ya. Ma nkọwa onye ọrịa na-enye onye/ndi nlekọta ya, ma ụsa ajụjụ niile a ga-ajụgasị ya ka nghọta doo anya bụgbado site n'asụsụ ka e si ezipụta ha. Ka o si kwụrụ, ọ ka mma na e chere ya eche karịa ịhụ ihe ga-eme mgbe ọbụla onye nlekọta ghọtahiere nsieme ọrịa tụmadị asụsụ onye ọrịa ji akọwa etu ọrịa na-arịa ya si arịa ya. N'ikwu ya n'ụzọ ọzọ, ezi nchekwa ga atọ atọ ma dịkwa ire na-agbado ụkwụ n'etu onye/ndị nlekọta siri ghotadebe asụsụ onye ọrịa ji akọwa ọnọdụ ahụike ya na ka o si arịa ya.

N'ụfọdụ ụlọ ọgwụ ahụike dị iche iche e nwegasịrị n'ime ime obodo n'ala Igbo, ọtụtụ ndị ọrụ nlekọta ahụike ndị ọrịa na-atakweta ya kọnkịrị n'ịnata nkọwa ha chọrọ n'aka onye ha na-elekọta n'ụdị mkparịta ụka n'ihi anaghị anụ asụsụ onye ọrịa ahụ na-asụ. Mgbe ụfọdụkwa, ndị ọrịa n'akụkụ nke ha na-adị na-ekwe n'isi n'ihe ọbụla onye/ndị nlekọta na-ekwu banyere etu ha dị, ma nke ha ghọtara ma nke ha aghọtaghị mgbe ha na ndị nlekọta ha na-ekwurịta okwu iji wee zenarị ịnata akaja, ya na ikwugharị otu ihe ugboro ugboro. Ụdị ọnọdụ dị etu a gasị na-adapụtakarị n'ebe ndị ọrịa na-agụghị akwụkwọ nọ tụmadị mgbe nwanne ya ya na ya so na-agụkwaghị akwụkwọ. Ọnọdụ dị etu a nwere ike ime ka dibịa ma ọ bụ onye nlekọta nye onye ọrịa ahụ ụdị nchekwa na-ekwesighi ọrịa na-arịa ya. Nke a nwere ike mee ka ahụ onye ọrịa ka njọ karịa ka ọ dịbu ma ọ bụ duba onye ọrịa ahụ n'ọnwụ. N'ụdị nchekwa ọbụla a na-enye onye ọrịa, asụsụ nọ n'ihu n'ihi na ọ bụ ya ka e ji ezipụta ihe niile a chọrọ ime, ma ọ bụ nke a chọrọ ka e mee. E kwesiri inwe onye ga na-aghọta nke ọma ma na-atapịkwa asụsụ onye ọrịa ahụ.

N'eziokwu, ọ bụ naanị mgbe e gbogasịrị nsogbu gbasara asụsụ e nwere n'agbụrụ ma ọ bụ n' obodo ka ezigbo mkparịtaụka/nkwukọrịta okwu ga-amalite dịba n'etiti ndị ọrịa na ndị nlekọta ha. Mgbe ahụ, onye nlekọta na onye ọrịa ga na-anụ ma na-aghọtakwa onwe ha. N'otu aka ahụkwa ihe ụfọdụ a chọrọ ka onye ọrịa sọba maka nnweta ezi nchekwa ahụike bụkwuazị asụsụ ka e si na ya akọwapụta ha. Ngwangwa anyị nabatara nke a, ma debe asụsụ n'ọnọdụ kwesiri ya n'ihe ọbụla anyi na-eme, ọkachasị n'ọgwụgwọ ọrịa, ga-akwalite ọnọdụ ahụike ndị ọrịa n'ụzọ di ukwuu. Asụsụ nọ isi na nghọta usoro niile mmadụ nwere ike igbaso na mnweta ezi nchekwa ahụike onye ọrịa.

N'ụzọ nchekwa na mgbochi ndị a niile nọ n'elu, kedu ụzọ dị mfe a ga-esi mee ka ọ baa ndị mmadụ ma ọ bụ ọnata ntị ma ọ bụ anya na abụghị site n'asụsụ? Ya bụ, obodo ọbụla chọrọ inweta nchekwa ahụike n'ozuzu oke ga-ama na asụsụ ka bụ mbụ maka imejupụta ebumnuche a. Ụfọdụ mba ndị meperela anya ma chọpụta na asụsụ nọ n'isi mnweta ezi nchekwa, nlekọta na ọgwụgọ ọrịa tụmadị mwulite mba na-ekwusi ike na usoro

agụmakwụkwọ, ọkachasị n'ihe gbasara nlekọta ahụike ga-abụ n'asụsụ amaala ha. Ụfọdụ mba ndị a gụnyere China, Ịtali, Jaamani, wee gawazie (Eze, Aboh na Arua, 2017). Site n'ịgbado ụkwụ n'ihe ndị a, anyị nwere ike ikwu ugbu a na asụsụ na-akwalite ọdịdị mmadụ. Ihe niile e mepụtarala, ọkachasị n'ụdị ọgwụ, nchekwa na ahụike na ihe ndị ọzọ mmadụ na-eme agarahị enwe isi ma e wepụ asụsụ. Ya bụ, dị ka asụsụ nwere uru ọ bara na mwulite akọ mmadụ, etu ahụkwa ka ọ dị na nchekwa na nlekọta ahụike mmadụ.

Mkpa asụsụ dị n'ọgwụgwọ nrianrịa bụ nke a gaghị ewezuga n'akụkụ. Ọ doro anya na asụsụ bụ ihe ji ndụ obodo niile tụmadị ndụ mmadụ. Ihe niile gbasatara emereme mmadụ nke ọgwụgwọ nrịanrịa nke mmadụ so na ya, gbara asụsụ gburu gburu. Ya mere asụsụ jiri nọrọ n'isi ndụ mmadụ. Asụsụ nọ n'isi n'agwọm ọrịa ọbụla. Ọzọ, asụsụ ma ọ bụ nke amaala ma ọ bụghị ya bụ agwara dị oke mkpa n'ọgwụgwọ nrịanrịa dị iche iche n'agbanyeghị usoro agwọmụ ọrịa nke a na-agbaso (nke omenaala, bekee ma ọ bụ nke okpukperechi). Ọ nọ n'isi n'ime ka ndị ọrịa mee ihe a chọrọ ka ha mee n'ihi na ọ bụ asụsụ ka e ji ezipụtagasị ihe ndị ahụ a chọrọ ka e mee. Ụdị ọgwụ a ga-enye onye ọrịa, ka a ga-esi nụọ ọgwụ e nyere, ugboro ole a ga-anụ ya na ihe ndị ọzọ gbasatara agwọmụ ọrịa bụ asụsụ ka e si na ya ezipụta ha. Asụsụ n'ebe agwọm ọrịa nọ, n'agbanyeghi ụdị ọrịa ọ bụ, dị ka a hụghị ebule ma si elila dike.

N' aka nke ọzọ, ọgwụgwọ nrianrịa bụ ụzọ ma ọ bụ ihe niile mmadụ na-eme iji were gwọọ ọrịa dị iche iche nke na-arịa mmadụ. Ihe ndị a nwere ike bụrụ site n'ịnụ ọgwụ (ọdịnaala ma ọ bụ nke bekee) ịgba afa, ịchụ aja dị iche iche, iji mgbọrọọgwọ na mkpaakwụkwọ na ime amansị dị iche ka e were zọpụta onye nọ n'akwa ọrịa. N'ụdị usoro nke ọbụla a na-agbaso n'ịzọputa onye nọ n'akwa ọrịa n'ụzọ ndị a niile anyị zipụtarala n'elu, asụsụ nọ n'isi nke ọ bụla. Dị ka ọ si dị mkpa na onye nlekọta ga-anata nkọwa doro anya n'aka onye ọrịa ọ na-elekota, otu aka ahụkwa ka o sị dịkwa mkpa na onye ọrịa ga-anatakwa ezigbo nkọwa na ntụziaka n'ihe a chọrọ ka o mee maka nnweta ọgwụgwọ n'aka onye nlekọta. Ma kedu ụzọ a ga-esi kwọrọ nwaanyị ukwu wara ka ije kwe omụme? kedụ ụzọ dị mfe doro anya a ga-esi mee nke a na abụghị site n'asụsụ. E wezuga nke a, n'akụkụ ọgwụgwọ metụtara ịgba afa na ịchụ aja dị iche iche, asụsụ dịkwa mkpa maka na ọ bụ asụsụ ka dibịa ga-eji kọwapụta ozi ọ natara n'aka ndị mmụọ ma ọ bụ ndị nna nna anyị ha, ma jikwara ya kọwapụta ụdị aja a chọrọ ka a chụọ na ihe ndị a ga-ejigasị chụọ ya bụ aja. Ya mere, n'agbanyeghị ụzọ ọbụla a chọrọ isi were gwọọ ọrịa ọbụla, asụsụ nọrịrị n'isi ya.

4. Nchikọta nchọpụta, mmechi na atụmalo/mkpọku

4.1 Nchịkọta nchọpụta

Ederede a elebanyela anya n'ọnọdụ asụsụ na nchekwa na ọgwụgwọ nrịanrịa dị iche iche, ọkachasị dị ka o si metụta nje na ọrịa obirinajaọcha. Nchọpụta na-egosi na dị ka mmadụ

enweghị ike ikewapụ onwe ya n'ebe onyinyo ya dị, etu ahụ kwa ka ọ gaghị abụ ihe ga-ekwe omume bụ iwezuga asụsụ n' akụkụ n' ebe ihe gbasara nchekwa, nlekọta na agwọm ọrịa dị. N'ihi nke a, ọrụ a lebanyere anya n'uru asụsụ bara, ọkachasị dị ka o si gbasata agwọm ọrịa, ya bụ, etu asụsụ si enye aka na nnweta ezi nchekwa na nlekọta ahụike ndị ọrịa tụmadị ọgwụgwọ ọrịa n'ụzọ kwesiri ekwesi. Nchọpụta ọrụ a, na-egosi na asụsụ na-enye ìhè (light) n'ebe ọ dị ukwuu n'ihe gbasatra nchekwa/nlekọta ahụike ndị ọrịa na kwa ọgwụgwọ ọrịa n'ihi na ọ bụ asụsụ ka e ji akọwapụta ihe a ga-eme na nke a gaghị eme maka ọ dị mma onye/ndị ọrịa. Ọzọkwa, ndụmọdụ ma ntasiobi a na-enye onye nọ n'akwa ọrịa maka agbamume na ịkpọghachite mmụọ onye ọrịa ahụ azụ bụgbado site n' asụsụ ka e si eme ha. A ga-ekwu ole ghara ibe ya, n'ebe dịbịa ahụike na onye nlekọta nọ, ịnata ezi nkọwa banyere etu o si eme onye ọrịa dị oke mkpa n'ihi na e jighi ihe e ji agba na ntị agba n'anya. E nwere ike inweta nke a site n'aka onye ọrịa ahụ n'onwe ya ma ọ bụ site n'aka ụmụnne ya. Ma kedu ka nke a ga-esi dị ire na abụghị site n'asụsụ, ma ọ bụ nke amaala ma ọ bụ na ọ bụghị ya. O kwere nghota na ịkọwa ụdị ọrịa na ọgwụ kwesiri ụdị ọrịa ọbụla maka nnweta onwe onye ọrịa ahụ bụ n'ihi asụsụ. Ka o sila dị, mwulite asụsụ nọ n'isi mgbago ihe ọmụmụ a n'ihi na ọ bụ na gburugburu asụsụ ka nchekwa/nlekọta na agwọm ọrịa tọrọ ọnọdụ. Ya bụ na ọgwụgwọ ọrịa HIV ga-abụ ihe ga-enwe isi ma dịkwa ire ma ọ bụrụ na e nye asụsụ ezi ọnọdụ na ohere na nlekọta na ọgwụgwọ ọrịa. Ọ bu site n'ụzọ dị etu a ka ọdọ amamihe/nghọta na ngalaba nlekọta ahụike ga-esi nwee ike ruo n'aka ndị a chọrọ, ndị ga-eji ya mee ihe a turụ anya. Nke a pụtara na e wepụ asụsụ, mmadụ na mmadu ibe ya agaghị na-akpakọrịta etu o kwesiri, ọkachasị n'oge ọrịa.

Ihe ọmụmụ a na-ekpughekwa na íbì (genital hydrocel) anaghị erucha etu ọgọdọ e ji ekpuchi ya haa. Ya bụ, etu ndị mmadụ si asọ ma na-elegara onye ọbụla a chọpụtara bu nje/ọrịa obirinaajaọcha anya abụchaghị etu o kwesiri. Nke mbụ, ọrịa a abụghị ọrịa na-efe n'ikuku dị ka arụbara. Ọ bụ naanị mgbe mmadụ dabanyere n'ụzọ dị iche iche e nwere ike isi bute ọrịa a dị ka anyị zipụtarala ha bụ mgbe ọrịa a nwere ike ịtụ onye ahụ. Ọ dikwa mkpa ka anyị cheta na ọrịa ụkwara-nta (tuberculosis) na ọrịa shuga (diabetes mellitus) dịkwuazị njọ ka ọrịa HIV/AIDS mana ndị mmadụ anaghị asọ onye bu ha etu e si asọ onye bu HIV/AIDS. Ya bụ, ka anyị ghara iji omume anyị mgbe ụfọdụ na-edulaga ndị bu ọrịa a mmụọ n'oge erughị eru.

Ka ihe si kwụrụ, ndi nlekọta ga-adị njikere ịnụ asụsụ onye ma ọ bụ ndị ọrịa ha na-elekọta ji akọwapụta nsogbu ha ma ọ bụ ihe na-arịa ha ka ọgwugwọ were dị mfe.

4.2 Mmechi

Na mmechi, anyị elebanyela anya n'uru asụsụ bara na nchekwa ahụike ndị ọrịa, ọkachasị n'ọgwụgwọ nrịanrịa nke nje na ọrịa obirinaajaọcha, ụzọ dị iche iche e si ebute nje/ọrịa bụ

HIV/AIDS, etu a ga-esi enyere ndị bu ọrịa a aka na ka a ga-esi emeso ha omume wee na-ekwu na nchọpụta na ihe niile gbasara nchekwa onye ọrịa na agwọm ọrịa hiwere isi n'asụsụ. Ya mere, nchekwa na ọgwụgwọ nrịa nrịa na mpaghara na kwa n'ogogọ ọbụla ga-adị ire, ma e were asụsụ hiri isi.

4.3 Atụmalo/Mkpọku

i. Ndị nchọcha na-atụnye arọ ka ndị ụlọ ọrụ gọọmenti dị iche iche na-ahụ maka nlekọta ahụike ndị ọrịa na-ahụta asụsụ dị ka otu ihe dị oke mkpa so n'ihe na-ama nchekwa na ọgwụgwọ nrịanrịa aka mgba ọbụla ha na-atụle ihe gbasara ahụike ndị ọrịa ma nye ya (asụsụ) ọnọdụ kwesiri ya, bụ na Gọọmenti Etiti ala anyị kwesiri itinye asụsụ n'ogo dị elu mgbe ọbụla a na-atụle maka nchekwa na ọgwụgwọ nrịanrịa dị iche iche. Nke a ga-enye aka ịhụ na e nwere ezi nchekwa na nlekọta nye ndị ọrịa.

ii. Ọzọ, ha na-atụnyekwa aro ka ulọ ahụike ọbụla gbaa mbọ hụ na ha nyere ndị maara ihe ekwe na-akụ gbasara asụsụ dị iche iche n'obodo anyị bụ Naịjirịa ọrụ n'ụlọ ọgwụ ha iji hụ na ha ji asụsụ dị iche iche ndị ọrịa ga-aghọta na-akụziri ha maka nrianrịa.

iii. Ndị nchọcha a na-atụnyekwa aro na n'ebe dọkịta ma ọ bụ onye/ndị nlekọta na onye ọrịa anaghị asụ otu ụdị asụsụ, onye ntapị asụsụ kwesiri ịnọ ebe ahụ iji mee ka nghọta zuru ọke di n'etiti ha abụọ.

iv. Ka o si kwụrụ, e kwesiri inwe ọkpụkpọ oku ma ọ bụ ọgbakọ nke ndị nlekọta ahụike ga na-akpọ ugboro ugboro iji kowadara ndị mmadụ ihe gbasara nje na ọrịa obirinaajaọcha a tụrnadị etu mmadụ nwere ike isi bute ya bụ ọrịa.

v. N' ọnọdụ agwọm ọrịa niile, asụsụ dị oke mkpa. Ọ bụ asụsụ ka a ga-eji kọwara ha (ndị mmadụ) nsieme (symptoms) ọrịa ahụ. Ya bụ ihe ọ ga-abụ ịhụba n'ahụ gị, ị mara na ị butela ọrịa ahụ ma ọ bụ na nje ya abanyela gị ahụ.

vi. N'ikpeazụ, ndị nchọcha a na-atụnye aro na ndị ụmụ akwụkwọ na-amụ maka nlekọta ahụike na ọgwụgwọ ọrịa kwesiri ka e tinye ọmụmụ sayensi asụsụ (Linguisitics) na sịlabụsụ (syllabus) ha. Nke a ga-enye aka ime ka ha mụta ma marakwa asụ asụsụ dị iche iche nke ga-enyere ha aka n'obodo ebe ha ga-arụ ọrụ.

Edemsibịa

Agbedo, C.U. (2007). Promoting positive attitudes towards English language learning in globalization. Zaria: *Journal of Linguistics and literary studies*.

Bultler, C.S. (1990). Language and computation. Na N.E. Collinge (Ed.). *An encyclopedia of language*. London: Rotuledge.

Crystal, D. (1971). *Linguistics*. London: Haze, Watson and Viney Ltd.

Eze, C.N. (2012). Conjunction and conjoining in the Igbo language. Dissertation presented in the Department of Linguistics, Igbo and Other Nigerian Language, University of Nigeria, Nsukka.

Eze, C.N., Aboh, C.S. & Aruah, V.O. (2017). Uru asụsụ bara na mwulite, nchekwa na mbufe sayensi na nkanụzụ: Dị ka o si metụta Naịjirịa. Na K. Nwadialor (Ohz.). *The creative Artist: A Journal of Theatre and Media Studies, Vol. 13 N0. 2* (Ihu 158-169). Awka: Perpetual Prints.

Ezebuilo, C.N. (2020). Lexicalization in Igbo Syntax: Ph.D Thesis. University of Nigeria, Nsukka.

Hornby, S.A. (1999). *Oxford Advanced learners dictionary of current English*. Oxford University Press.

Odo, J.C. (2007). Basic methods, considerations and strategies in language teaching. Na B.N. Anasidu, G.I. Nwaozuzu na C.N. Okebalama (Eds.) *Language and literature in a developing country : Essays in honour of Professor Benson O.A. Oluikpe* (ihu.214-223). Onitsha: African-First Publisher Limited.

Ofomata, C.E. (2013). *Omenaala na ọdịnaala ndị* Igbo. Anambra; Format Publishers Nigeria.

Okoye, R.C. (2006). *The mystery of silent killers*. Port Harcourt: Save A life Foundation Publication.

Oli, J.M., G.I. Nwaozuzu & B.M. Mbah (2013). *English Igbo Medical Dictionary*. Nsukka: University of Nigeria Press Ltd.

Sapir, E. (1921). *Language: An introduction to the study of speech*. New York: Harcourt, Brace.

Udeh, S.O. (2022). (Afọ iri isii na ise). Onye a gbara ajụjụ ọnụ. Dibịa ahụike nke si n'ụlọọgwụ ahụike nke Faith Foundation Mission Hospital, Nsukka.

Whitney, W. (1976). *Language and its study*. London: Trubner and Company.